HOSPTIAL CONTACT DETAILS

# HALT-IT
# NDEKỌ MAKA IME NNYOCHA

**Isiokwu Iheọmụmụ**: Tranesamic asid maka iji gwọọ ọrịa ọbara ịgba n’eriri afọ bụ nnyocha ozuru uwa emeere n’ụzọ nkịtị n’ejighi nnyocha doro anya.
**Akara iheọmụmụ:** xx
**Nde dị na mpempe akwụkwọ:** 2.0 [Naijirịa] 23/08/2017

**Ụlọọgwụ a na ngwụm aka nakaeọmụmụ ozurumba iji mata ụzọ ka mma iji gwọọ ọbara ịgba nnbaaịrị**

## Otu n’ime ndị a metụtara gị:

1) Ibụ onyeọrịa nke ọbara n’agba n’akpịrị. Anyị n’akpọtụrụ gị ka isonyere n’ịchọ iheọmụmụ a.
2) Ibụ onyeọrịa nke ọbara gbara n’akpịrị. mgbe inwere nsogbu ahụike, etinyere gị ka isonyere n’iheọmụmụ a. Anyị n’agwazi gị ka isonyere n’iheọmụmụ ndị fọdụrụ.
3) Ibụ onye nnochianya nke onyeọrịa nke ọbara gbara n’akpịrị. Anyị n’agwa gị ka imee mkpebi n’ihe metụtara onyeọrịa ma ọ ga esonyere n’iheọmụmụ a. Ị ga atụle ma onyeọrịa ọ ga esonye mọbụ ọnọdụ ya ọdị mma ka omee mkpebi isonyere.

## Gịnị ka ihe mpempe akwụkwọ a bụ maka ya?

Ọbụrụ n’ịchọrọ isonyere n’iheọmụmụ a, anyị ga-achọ ịmara ihe iji chọọ isonyere na ihe ọ ga agụnye. Gị na otu n’ime anyị ga-eleba anya na mpempe akwụkwọ a ma zaa ajụjụ ndị inwere. Anyị chere n’ọga ewe nkeji 20. Inwere ike ịgwa ndịọzọ banyere iheọmụmụ a mọbụrụ n’ịchọọ.

## Gịnị ka iheọmụmụ a bụ maka ya?

Anyị n’achọ ụzọ ọzọ enwere ike isi gwọọ ọbara ịgba n’akpịrị. Anyị nwere olileanya n’iheọmụmụ a (ọgwụ akpọọrọ tranesamic asid), nke n’egbochi ọbara ịgbapụ ga-ebelata ọbara ịgba n’akpịrị. Mana ọpụrụ ikwe omume n’ọpụrụ igbochi ọbara ebe achọghị ya. Tranesamic asid abụghị ọgwụ ọhụrụ. Eji ya enyere ndị ọbara n’agba mgbe ha wasịrị afọ mọbụ mgbe enwere ihe mberede. Anyị nwere olileanya n’ọga enye aka nye ndị ọbara n’agba n’olu, mana anyị amaghị nke ọma ma ọ ga-eme ka anyị si ele ya anya.

## Kedu ihe mere m ga-eji sonye na ya?

Ọbara n’agba gị (onyeọrịa) n’olu nke ekwesịrị ilebara anya ngwa ngwa. Dọkịta gị chere n’ịga esonyere n’iheọmụmụ a, mana ọdị gị n’aka ikpebi ma ịga esonye mọbụ n’ịgaghị esonye. Ọbụrụ n’isonyere, ị ga eso n’otu n’ime mmadụ puku iri na abụọ (12,000) ndị ọbara n’agba n’olu n’akụkụ ụwa niile.

## Onyeọrịa agaghị esonye n’iheọmụmụ a mọbụrụ na:

- Dọkịta chere n’onwere ihe mere na agaghị eji tranesamic asid mee ihe

- Dọkịta chere n’onwere ihe mere a ga-eji jiri tranesamic asid mee ihe
- Otozubeghị mmadụ

Akpọọla gị (onyeọrịa) isonyere n’ihe ọmụmụ ndị a, nihina onweghị nke metụtara gị.

## Ekwesịrị m isonyere?

E e. Ọbụ gị ka ọdị n’aka ikpebi ma ị ga-esonye mọbụ ịgaghị esonye. Ọbụrụ n’ịchọghị isonye, onye dọkịta gị ga-elezi gị anya ma nye gị nlezianya ịchọrọ.

## Kedu ka iheọmụmụ a si arụ ọrụ?

Anyị amaghị ma iji tranesamic asid agwọ ọrịa ndị ọbara n’agba n’akpịrị ọ ga adị mma mọbụ n’ọgaghị adị. Ụzọ ka mma iji mara ma ọ na-arụ ọrụ bụ ile ndị jirila ya mee ihe na ndị ejibeghị mee ihe. Iji mee nke a, a ga-ekewa ndị ga-esonyere n’iheọmụmụ a ụzọ abụọ. Otu ụzọ ga-enweta iheọmụmụ ọgwụgwọ(tranesamic asid). Ndị nke ọzọ agaghị enweta ọgwụgwọ doro anya (edoghị anya). Aga eme nhọrọ ndị nke onye ọbụla so na ya ma apụrụ ịhọrọ onye ọbụla ma tinye ya na nke ọbụla. Iheọmụmụ a na ọgwụgwọ edoghị anya yiri ka ha bụ otu ihe, ma gị ma dọkịta gị amaghị nke ọbụla ịnọ na ya.

## Gịnị ga-eme m mọbụrụ na m sonyere?

Ị ga-enweta ọgwụgwọ nke ga-enye aka mgbe ọbara n’agba gị. Aga eji (tranesamic asid mọbụ nke esighị ike). Aga ebido jiri ya mee ihe ozugbo. Aga enye gị ya site n’ịmịnyere gị ya n’ihe ruru awa 24. Iheọmụmụ a bụ n’efu. Ị gaghị achọ ile ihe ọzọ mọbụ mefuo iheọzọ n’ụlọọgwụ.

Anyị ga-enyekwa gị mpempe akwụkwọ nkweta nke ị ga-ebinye aka na ya.

Anyị ga-achọ izigara dọkịta gị akwụkwọ ozi iji mee ka ọmara na ị na-esonyere n’iheọmụmụ a.

## Gịnị ga-eme ma emesịa?

Anyị ga-achọ ịma banyere ahụike gị tupu ịhapụ ụlọọgwụ. Tupu ịlaa n’ụlọ gị, aga enye gị akwụkwọ ịga eji laa. Ọbụrụ n’ịhụ dọkịta mọbụ onye nlekọta onyeọrịa n’ihe dịka otu ọnwa mgbe ịbịara n’ụlọọgwụ, ịga egosi ha akwụkwọ ahụ.

## Aga m enwe mmerụ ahụ ma m sonyere?

Iheọmụmụ ndịọzọ emeere n’egosi na (tranesamic asid) anaghị egbochi ọbara imechi mgbe kwesịrị na onweghịkwa ihe mmerụ ahụ n’esi na ya apụta n’ihi iji ya mee ihe obere oge, mana anyị amaghị ma ọdị otu ahụ n’ebe ndị nwere udị nsogbu gị dị. Dọkịta gị ga-ele gị anya ma nye gị nlezianya kwesịrị mọbụrụ n’enwere nsogbu dị. Ha ga-agwakwa ndị mere iheọmụmụ a.

## Onwere ihe m ga-erita na ya?

Anyị amaghị ma iheọmụmụ ọ ga-enyere gị aka. Mana ọ ga-enyere dọkịta aka ịgwọ ndị ọbara n’agba.

## Enwere m ike ịgbanwe mkpebi m isonyere?

Ee. Ọbụrụ n’inwee uche abụọ ma ị ga esonyere n’iheọmụmụ a, ị ga agwa dọkịta gị n’ịchọzighị isonyezi n’iheọmụmụ a ọzọ. Ịpụrụ ime ya mgbe ọbụla. Dọkịta gị ga elezi gị anya ma nye gị ndịọzọ. Anyị nwere olileanya n’ị ga eji ụzọ isi bido mee ihe, mana ọbụrụ n’ịchọghị iji ya mee ihe gwa dọkita gị.

## Gịnị bụ ndekọ enwere ike iwere banyere m?

Ihe banyere nsogbu ịgba ọbara nke ị na enwe, a ga edetu ọgwụ nke ị ga-eji mee ihe n’akwụkwọ.
Ndịọrụ nke isi ụlọọrụ anyị na Lọndọn ga-achọ iwere akwụkwọ nkwenye nke ebinyere aka na ya. Nke a ga-enye aka ime ka iheọmụmụ a gaa nke ọma ka osi kwesị.

## Aga ezobe ihe banyere m ebe dị iche?

Ndekọ niile enwetara banyere m ga-anọ ebe dị iche. Ndị aga enye ohere ịhụ ya ga-abụ ndị dọkịta ndị n’ahụ maka iheọmụmụmụ a, ndịọrụ nọ n’isi ụlọọrụ na Lọndọn na ndị nwere ikike ndị ọchịchị ndị n’ahụ n’emere iheọmụmụ ahụ ka osi kwesị.
Dọkịta gị ga-eziga ndekọ gị n’aka ndị so mee iheọmụmụ a na Lọndọn bụ ndị ga-echekwa ya nkeọma. Aga echekwa ndekọ gị niile n’ebe dị mma n’ebe nchekwa iheọmụmụ ma emesịa emebie ya ihe dịka afọ ise mgbe iheọmụmụ a gasịrị.
Aga ebi ihe si na iheọmụmụ a n’akwụkwọ ndị ana ebi maka ọgwụ nke ga-eme ka ndị dọkịta mụta ihe na ya. Ihe ndekọ banyere gị agaghị esonye na akwụkwọ ndekọ ọgwụ mana onweghị ka onye ọbụla mara n’ọbụ gị.
Aga eme ka ndekọ iheọmụmụ a dịrị ndị n’eme nnyocha n’ụwa niile nke ga-eme ka ejiri ya mee ihe na mmụta nke ọgwụ na nlekọta ndịọrịa. Ihe ndekọ banyere gị agaghị esonye na ya. Mana onweghị ka onye ọbụla mara n’ọbụ gị.

## Onye n’akwụ ụgwọ iheọmụmụ a?

Ọbụ gọmenti Unaịted Kindọm n’akwụ ụgwọ ya. Anaghị akwụ dọkịta gị ụgwọ maka itinye onyeọrịa n’iheọmụmụ a. Naanị ego emefuru na nnwale ka aga eweta.

## Onye lebaara iheọmụmụ a anya?

Iji chekwa ọdị mma gị, iheọmụmụ a niile emere n’ụlọọgwụ a bụ ndị nnyocha nọọrọ onwe ha a na-akpọ Rịsịach Etiks Kọmitii. Elebarala ya anya ma nye ya echiche nkwado ndị kacha mara bụ (Insert Name) Rịsịach Etiks Kọmitii. Ọbụrụ n’inwere ajụjụ banyere ikike inwere mọbụ elegharala ikike gị anya, ịpụrụ ịkpọtụrụ onyeisi na adresị dị ebe a:

| | |
|---|---|
| Iji nye gị ezi chekwa, ndịotu | |
| Adresị | |

Ndị nyere ikike ka emee iheọmụmụ a na Naijiria bụ:
*Onyeis nduzi, Reguletrị and Registreshọn Afez Daịrektọret*
*Neshọnal Egensi fọ Drọg Administreshọn and Kọntrol (NAFDAK)*
*445, Habat Makọle We, Yaba, Legọs, Naịjirịa*
*Ekwentị: 01 477 2452*

## Aga m enwe ike mata ihe si na iheọmụmụ a pụta?

Iheọmụmụ a ga-akwụsị na afọ puku abụọ na iri abụọ (2020). Ọbụrụ n'ịga achọ inweta ndekọ ihe ndị si na ya pụta mgbe emesịrị, biko mee ka onye dọkịta n'elekọta gị anya mara. Inwere ike leekwaa na webụsaịtị iji mara ebe erurula (haltit.Lshtm.ac.uk).

## Onye ka m ga-ajụ ihe ọbụla n'edoghị m anya?

Ọbụrụ n'onwere ajụjụ inwere banyere iheọmụmụ a mọbụ ihe n'enye gị nchegbu biko jụọ onye dọkịta onye ga-enwe ike zaa gị ajụjụ inwere. Dọkịta [insert PI name] n'ahụ maka iheọmụmụa n'ụlọọgwụ a. Ị ga-akpọtụrụ yana:

| | |
|---|---|
| Adresị | |
| Ekwentị | |

Inwere ike ịkpọtụrụ onyeisi nlekọta ụlọọgwụ:

| | |
|---|---|
| Aha onyeisi | |
| Adresị | |
| Ekwentị | |

Ọbụrụ n'obi adịghị gị mma nke n'ịchọrọ ime mkpesa ebe kwesịrị, ị ga eme nke a site n'usoro ime mkpesa nke ụlọọgwụ a. Biko jụọ ndị n'eme mkpesa maka ya.

Ndị chịkọtara iheọmụmụ a na nnwale a bụ ndị dọkịta nọ na Lọndọn Skul nke Haịjin na ọgwụ mkpọrọgwụ nke (Mahadụm nke Lọndọn). Aga enweta ha ebe a:

| | |
|---|---|
| Adresị | HALT-IT Trial Coordinating Centre, London School of Hygiene & Tropical Medicine, Room 180, Keppel Street, London WC1E 7HT, United Kingdom |
| Ekwentị | +44 (0)20 7299 4684 |

## Kedu iheọzọ m kwesịrị ịma?

Ọbụrụ n'onwere ihe gaara n'ụzọ ekwesịghị ma inwere ihe mmerụ ahụ mgbe a na-eme iheọmụmụ a, nihi elezighị anya, mgbe ahụ iga achọ ka enye gị ihe maka ya. Lọndọn Skul nke Haịjin na ọgwụ mkpọrọgwụ bụ ndị n'ahazi iheọmụmụ, ga ahụ maka nleghara anya,ọghọm na mmerụ ahụ ọbụla nke si na iheọmụmụ a pụta.
Ana agba gị ume ka ịjụọ ajụjụ ma ịchọọ, tupu, mgbe mọbụ mgbe iheọmụmụ a gasịrị.Ọbụrụ n'inwere ajụjụ banyere iheọmụmụ a, biko jụọ onye nlekọta onyeọrịa mọbụ dọkịta soro mee iheọmụmụ a, nke ga-enye aka ihe niile kwesịrị banyere ọgwụ ahụ n'ụzọ apụrụ isi jiri ya mee ihe. Ọbụrụ n'ịchọrọ ịgụ nnyocha nke nwere ndabere n'iheọmụmụ a, biko jụọ onye nlekọta onyeọrịa mọbụ dọkịta soro mee iheọmụmụ a.